IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Noah na nnukwu odo mmiri ozizo

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Tammy S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2020 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Noah bu nani nwoke na-atu egwu Chineke.  Mmadu o bula ndi ozo ahughi Chineke na-anya ma nupukwara Chineke isi.



Otu ubochi Chineke kwuru ihe turu mmadu egwu, “A ga m emebi uwa ojoor a”, Chineke gwara Noah. “Nani ezinulo gi ka m ga ahapu”.



Chineke doro Noah aka na nti si ya a ga enwe nnukwu mmiri ozizo nke ga eju uwa nile. “Ruo nnukwu ugbo mmiri nke ga aba ezinulo gi na kwa umu anumanu gi nile,” A gwara Noah. Chineke nyere Noah ezigbo ntuzi aka. Noah wee banye oru!





Ndi mmadu chiri Noah ochi ma kwaa ya emu dika O na-akowara ha ihe o jiri na-aru ugbo ahu. Mana Noah kachiri obi na-aru kwa ugbo ahu.



O gwara ha maka
aka na nti Chineke
doro ha na kwa ihe
Chineke bu n'obi
imebi
uwa.

Ndi
mmadu
a egeghi
ya nti.



Noah nwere nnukwu okwukwe ma tukwasi Chineke obi rue ma mgbe mmiri ozizo ahu ezobeghi.

Mgbe na adighi anya,
o ruchara ugbo mmiri
ahu fozie i kpobatazi
ihe nile o nwere
n'ime ugbo a.



Oge umu anumanu ahu abiala. Chineke wetere umu anumanu di iche iche asaa, abuo ndi ozo dikwa iche.



Anu ufe nile ndi nnukwu na obere, anu ala ogologo na obere ihe ndi a banye chara n'ime ugbo mmiri a.



Ndi mmadu a kpariri Noah dika o na edu banye umu anumanu ndi a.





Ha akwusighi i mehie Chineke. Ha ajughi kwa ma ha o ga a banyekwa n'ugbo mmiri ahu.



N'ikpeazu,
umu anumanu
ndi a na anu ufe
ndi a were banye
chaa n'ime ugbo
ahu. "Bata n'ime ugbo a".
Chineke gwara Noah.
"Gi na ezinulo gi".



Noah, nwanyi/nwunye ya, umu ya ndi nwoke ato na kwa ndi nwunye/nwanyi ha banye chara n'ime. Mgbe ahu Chineke wee mechie onu uzo ugbo mmiri a.



Ka nke a gachara, nnukwu mmiri ozizo wee mbido. Nnukwu mmiri ozizo a ndi ukwu u nke nochiri elu ala nile ruo ubochi iri ano.



Mmiri odido
gazuru mba nile na
kwa obodo nile. Oge mmiri ozizo a
kwusiri, O riri elu ugwu nile. Ihe
nile na eku ume ndu nwu chara.



Di ka mmiri ozizu bawanyere, ugbo mmiri ahu bia se n'elu mmiri. O nwere ike gbaa ochichiri n'ime ma na atukwa egwu. Mana ugbo mmiri a kpuchitere Noah n'ime mmiri.

Mgbe onwa ise gachara, Chineke zitere ikuku. Nwa mgbe nta/nwa obere oge, ugbo mmiri a biara kwusi ma zuokwa ike elu ugwu nke aha ya bu ugwu Ararat.



Noah nokwara
ubochi iri ano ozo
n'ime ugbo tupu odo
mmiri ahu ebelata.



Noah wee site na otu onu ikuku si abata zipu umu nnunnu abuo aha ha bu raven na dovu. Umu nnunnu a ahughi elu ala kporo nku di ocha ha nwere ike puta bia zuo ike. Nnunnu nke aha ya bu dovu mechara laghachite azu ebe Noah no mgbe ohuru na elu ala a kpochabeghi nku.

Ka otu izu gachara, Noah zipukwara nnunnu ahu bu dovu ozo.



Nnunnu a bu dove wetere akwukwo ahihia bu olive di ohuru nke o kpu n'onu ya mgbe o laghachitere azu ebe Noah no.


N'izu na abiabia/di n'ihu
Noah mara na elu ala a
kpochala nku ya mere
nnunnu ahu bu dovu a
laghachiteghi azu ozo.

Chineke gwara Noah oge e ruola mgbe i ga esi n'ime ugbo mmiri a puta. Noah na ezinulo ya otu oge ahu kpoputachara umu anumanu nile ha n'ime ugbo mmiri ahu.c



Onye nwere ike ikowali udi obi uto na ekele Noah nwere!



Noah wuru ebe ekpere ma kpere Chineke zoputara ya na ezinulo ya n'udi ajo odo mmiri ozizo ahu.



Chineke kwere Noah ezigbo nkwa puru iche. Si ya, a gaghikwa m e ji mmiri ozizo were kwuo mmadu ugwo mmehie ha ozo.

Chineke were nye ihe ncheta nkwa a o kwere Noah. Chineke nwere rainbow dika ihe iriba ama nkwa a o kwere Noah.



Noah na ezinulo bidokwara ndu ohuru ozo mgbe nnukwu mmiri na odo mmiri ozizo gachara. Dika oge na-aga, agburu Noah mubanyere were ju elu uwa ozo. Mba/obodo nile no n'uwa sitere na agburu Noah na umu ya.

Noah na nnukwu odo mmiri ozizo

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Akwukwo jenesis 6-10
(isi nke isii rue n'isi nke iri)

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.